# IGBO CATHOLIC COMMUNITY OF NEW YORK,
# AT ANGELA MERICI PARISH, BRONX, NEW YORK.



# SUNDAY BULLETIN
# 25TH SUNDAY IN ORDINARY TIME (YEAR A)
# SUNDAY, SEPTEMBER 24, 2017

**HYMNS:**

**ENTRANCE: OTITO NILE DIRI ONYENWEANYI**
**OFFERTORY:EKENE ONYE KEL'UWA/CHIDIMMA/WETA…**
**CONSECRATION: TAKE AND SANCTIFY**
**COMMUNION: CHOO CHINEKE**
**POST COMM: WE PRAISE YOUR NAME**
**DISMISSAL: VIRGIN MARIA NNE DI NSO**

**IHE OGUGU NKE MBU ewetara n'Akwukwo Onye Amuma Aizaya 55:6-9**

***Isi Okwu: Echiche M abughi echiche unu***

Chowanu Onyenweanyi mgbe e nwere ike ichota Ya. Kpoonu Ya oku mgbe O no nso. Ka okpa aghara hapu uzo ojoo ya. Ka ajo mmadu hapu ajo echiche ya. Ya chee Onyeneweanyi ihu biakwa rio ebere Ya. Ya biakwute Chineke anyi maka na o bu Onye amara na Onye nwere obi mgbaghara. N'ihi na Onyenweanyi kwuru si: Echiche M abughi echiche unu, nke uzo M na-abu uzo unu. Dika eluigwe si di elu karia elu ala, otu ahu ka uzo M si di elu karia uzo  unu. Otu ahu kwa ka echiche M si di elu karia echiche unu.

Okwu nke Oseburuwa.

Ekele diri Chukwu.

**ABUOMA NA AZIZA YA**

***Aziza: Onyenweanyi no ndi  nile na-akpoku Ya nso.***

1. Ubochi nile aga m eto Gi. Aga m eto aha Gi. Aga m eto Gi ebighi ebi. Onyenweanyi di ukwu! O kwesiri nnukwu otito. Idi ukwu Ya kariri ihe mmadu puru ighota. Aziza
2. Onyenweanyi bu Onye amara na Onye ebere. O naghi ewe iwe oku. O juputara n'obi oma. O na-emere ihe nile O kere ebere. Aziza
3. Onyenweanyi kwubara aka oto n'uzo Ya nile. Dikwa aso n'oru aka Ya nile. Onyenweanyi no ndi nile na-akpoku Ya nso, ndi ji ezi okwu na akpoku Ya. Aziza.

**IHE OGUGU NKE ABUO ewetara n'Akwukwo Ozi Pol degaara Ndi Filipi 1:20-24, 27**

***Isi Okwu: Ndu m di bu Kristi***

Aga-asi na m kwanyere Kristi ugwu, ma adi m ndu, ma anwuru m anwu. N'ebe m no, ihe m ghotara bu na ndu bu Kristi. M nwuo anwuo, eritere m uru.  M biri ndu n'anu ahu, eji m ya ruputa oru bara uru. Ndu na onwu, amaghi m nke o di m ka m horo. Ha abuo dicha m mma. O na-adi m ka a tohapu m n'uwa ka m jee binyere Kristi. O di ka o bu nke ahu kaara mma. Ma, n'ihi unu, o dika o kara baa uru a oburu na m biri ndu n'anu ahu. N'ihi ya, kpaanu ezigbo agwa n'uzo kwesiri Ozioma Kristi.

Okwu nke Oseburuwa.

Ekele diri Chukwu.

**ALELUYA!**

Aleluya, aleluya! Meghee obi anyi, O Dinwenu, ka anyi wee nu Okwu nke Nwa Gi. Aleluya!!!

**OZIOMA di aso nke Matiu dere 20: 1-16**

***Isi Okwu: I na_enwe anya ukwu maka na enwere M obi oma?***

Jesu gwara Umuazu Ya si: "Alaeze eluigwe di ka otu nwoke nwere ubi vain, onye upur n'isi ututu, ichota ndi oru o ga-etinye n'ubi ya. Mgbe ya na ndi oru ahu kwubiri na o ga-akwu ha otu mkpuru ego n'ubochi, o zigara ha n'ubi ya. Mgbe elekere itolu gasiri, o pukwara hu ndi ozo ebe ha guzo na nkiti n'Oma-ahia. O wee si ha: 'Jeenu ruoro m oru n'ubi m. Ihe o bula ziri ezi ka m ga-akwu unu.' Ha wee jee. O pukwa ozo n'elekere iri na abuo na n'elekere ato n'ehihie, meekwa otu aka ahu. "Ihe di ka na elekere ise nke mgbede, o pukwara hu ndi ozo ka ha guzo na nkiti. O wee si ha: 'Gini mere unu ji guzo n'ebe a kemgbe taa n'arughi oru?' Ha zara ya si: 'N'ihi na o dighi onye o bula goro anyi oru!' O si ha: 'Gawanu n'ubi m!' Ma mgbe o ruru mgbede, onye nwe ubi ahu gwara odibo na-elekotara ya ubi anya si: 'Kpokota ndi oru, kwuo ha ugwo oru ha; malite na ndi ikpeazu ruo na ndi bu uzo.' Ndi biara oru n'elekere ise nke mgbede putara, a kwuo onye o bula n'ime otu mkpuru ego. Ma mgbe ndi buru uzo bido oru biara, ha chere na a ga-akwu ha ugwo kariri nke ndi ozo. Ma ihe onye natara, ka ibe ya natara. Onye o bula natara nani otu mkpuru ego. Mgbe ndi bu uzo ntara ego ha, ha tamuru ntamu si ogaranya ahu nwe ubi: 'Ndi a biakpere azu ruru oru nani otu elekere. Ma I meela ka anyi na ha hara otu - anyi bu ndi sitere kemgbe chi boro, doliwa ndoli di n'oru; anwu nile chara n'ubochi taa chara anyi n'isi!' Onye nwe ubi zara otu n'ime ha: 'Enyi m, gini ka m ji mejoo gi? Ihe mu na gi kwuru, o bukwa na m ga-akwu gi otu mkpuru ego n'ubochi? Nara ihe ruuru gi lawa. Achoro m ikwu onye ikpeazu ugwo ahu m kwuru onye bu uzo. O bu na m enweghi ike iji ego m mee amara? O na-ewute gi na abu m onye obi oma? Otu a ka onye bu uzo ga-esi ghoo onye ikpeazu, onye ikpeazu aghoo onye bu uzo.

Ozioma nke Oseburuwa.

Otito diri Gi, Kristi.



**Seek the Lord While He is to be Found**

**25TH SUNDAY REFLECTION**



We are constantly seeking things that appeal to our hearts, bodies and souls; be they, friends, children, life partners, monies, status, titles, property and so forth. Man's needs are insatiable and we hardly get tired of seeking for new things until we are stopped by death. However, it is only God that we can seek and find once and for all if we sincerely seek Him in Spirit and in Truth. The prophet Isaiah makes this clarion call for us to sincerely seek God now in order to find Him before it might be too late and the doors of grace be shut on us. 'For what great nation is there that has a god so near to it as is the Lord our God whenever we call on Him"? Deut. 4:7. The truth is that we will find Him if we seek Him with our heart and with all our souls. (Deut 4:29) This invitation is extend to those who have gone astray due to sin and are afraid to come back. It is also extended to those who live more on the flesh and have little or no time for the soul. The lord goes out at intermittent times to look out for those who are longing for His face as illustrated by the parable of the laborers. The timing might be different but what matters is how much we spent to do quality work and the reward to be given by the Lord justly to each and every one. He offers strong hope to us as He says: "In a favorable time I have answered you, and in a day of salvation I have helped you." (Is 49:8) And he answers even before we call and while we are still speaking he will hear us. (Is 65:24) Waste not your time seeking for people, pastors, priests, men and women of God, etc., that often stand in the way of seeking God, rather let Christ be the center of your focus and search. There is a huge reward for all who sought Him in spirit and truth and allowed Him to guide the courses of their actions. Time waits for no man because it might be too late to get his attention when you delay.

*Happy Sunday!!*



*Produced by ICC Choir*